# ASỤSỤ NA MWULITE OBODO: ỌRỤ ASỤSỤ IGBO N'EBE NDỊ IGBO NỌ

**Patrick Ik. Umezi**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi,
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka
pi.umezi@unizik.edu.ng
08063883811

## Ụmịedemede
Asụsụ bụ isi sekpụ ntị na mwulite obodo. Site n'okike ụwa, mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya bụ ihe ụwa ji aga. Mmekọrịta a na-apụta ihe site n'asụsụ, maka na ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si ezipụta ebumnobi ya. Na nchọcha a, nwanchọcha bu n'obi ịchọpụta ọrụ asụsụ Igbo na-arụ na mwulite obodo, ọ kachasị n'ebe o si metụta ndị Igbo. Asụsụ Igbo abụghị naanị maka nzikọrịtaozi n'etiti ndị Igbo, ọ bụkwazi njirimara ndị Igbo. Mgbe ọbụla a na-ekwu maka mwulite obodo n'ebe ndị Igbo nọ, asụsụ Igbo bụgodu ihe mbụ ga-agbata mmadụ n'obi, maka na asụsụ bụ ndụ mba. Asụsụ na-ekewa mba ma na-achịkọtakwa mba. Ya bụ, ọ bụ site n'asụsụ ka e si enweta ihe ndị ọzọ a ga-eji wulite obodo, maka na mmadụ na-eche echiche site n'asụsụ ya. Ya bụ na nchọcha a ga-eleba anya n'ọrụ asụsụ Igbo na-arụ n'iwulite obodo dị ka o si metụta ndị Igbo, ụzọ asụsụ Igbo si nyego aka na mwulite obodo, ọghọm dị n'ileghara asụsụ Igbo anya dị ka akarangwa e ji ewulite obodo, ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo dị ka akarangwa mwulite obodo, nakwa ụzọ a ga-esi chekwaba asụsụ Igbo ka ọ ghara ịnwụ.
**Ọkpụrụkpụ Okwu ga:** Obodo, Mwulite obodo, Asụsụ, na Asụsụ Igbo

## Abstract
Language is a major aspect of nation building. Right from the origin and creation of the world, human relationship and communication have been the mover and pivots of developments. This relationship has been made possible with the help of language. This is because it is through language that human thoughts are manifested. In this research, the researcher has the intention of finding out the benefits of Igbo language in nation building, especially among the Igbo people. Igbo language is not only the means of communication among the Igbo people, it is equally a symbol Igbo unity and identity. Whenever nation building is mentioned among the Igbo people, the first thing to come to mind is the Igbo language, because it is part and parcel of their life. Language unites and divides nations. So, materials for nation building come from language, because language guides people's thought. By and large, this research will look into the functions of Igbo language in nation building, especially as they affect the Igbo people, how Igbo language had helped in nation building, disadvantages of neglecting Igbo language as a material for nation building, ways to promote Igbo language as a veritable material for nation building, and how to sustain and prevent Igbo language from extinction.
**Key Words:** Nation, Nation Building, Language, and Igbo language

## Ndubanye
Ihe mbụ a na-ebu n'uche mgbe a na-ekwu maka mwulite obodo bụ ịtụkọrịta alo na ịtakọ isi ọnụ. Ụzọ a ga-esi mee nke a bụ site na nzikọrịtaozi na mkparịtaụka n'etiti ndị mmadụ dịgasị iche iche. Ihe a ga-eji mee nke a bụ asụsụ. Ihe nke a pụtara bụ na asụsụ bụ isi a hụrụ wee kwaba okpu na mwulite obodo. Ya bụ na mwulite obodo emetụtaghị naanị ọnọdụ akụnaụba, ọkpụkpụ mmadụ na ịhazi gburugburu, o metụtara asụsụ n'ụzọ pụrụ iche. Nke mbụ bụ na ọ bụ asụsụ na-enye aka na mwulite obodo, nke abụọ, obodo ọbụla e wulitere na-ebulite asụsụ ya elu karịa asụsụ ndị obodo ọzọ.

Agụgụ ala mba ụwa dị iche iche gosiri ọrụ asụsụ na-arụ na mwulite obodo; nakwa etu ọdịda asụsụ ọbụla si eweta ọdịda obodo n'ụzọ dị iche iche. A bịa n'agba ochie, asụsụ atọ gbara n'elu bụ asụsụ Hibru, Griik na Latin. Asụsụ ndị a so bulite mba ndị nwe ma na-asụkwa ha elu dị ka nnukwu obodo dị elu karịa obodo ndị ọzọ n'oge ahụ. Ma dị ka ọ dị taa, asụsụ atọ a esozighi n'asụsụ ndị bụ ọkaibe n'asụsụ ndị dị n'ụwa. N'otu aka ahụ, obodo ndị nwe ha esozikwaghi n'obodo ndị dị elu n'ụwa taa. Nke a gosiri mkpa asụsụ dị na mwulite obodo. Ka o si dị taa, asụsụ ndị bụ ọkaibe n'elu ụwa taa bụ asụsụ Bekee, French, Jaman, Chaịnisi, na Ịtalịan. Etu a ka mba ndị nwe ha si bụrụ ọkaibe na mmepe obodo.

A bịa na Naịjiria, ha dị agbụrụ atọ kara pụta ihe dị ka o si metụta asụsụ na omenala. Ha bụ: Igbo Awụsa na Yoruba. Ọ bụ eziokwu na ha atọ jikọrọ ọnụ na-asụ asụsụ Bekee, bụ nke ndị Ọcha wetere na Naijiria, nkewa dị n'etiti ha pụtara ihe nke ukwuu. Nke a metụtara ọnọdụ obibi ndụ ha n'akụkụ dị iche iche. Ihe niile a na-eme na Naịjiria n'ụbọchị taa na-egosipụta na agbụrụ atọ a na-achọ nke ha n'ụzọ dị iche iche. A bịa na mmepe obodo, ndị Igbo na-agba mbọ n'ụzọ dị iche iche ka obodo ndị dị n'ala Igbo bụrụ ọkaibe nakwa ka a na-anụ aha ndị Igbo n'ebe niile na Naịjiria. Ọ bụ nke a kpatara ndị Igbo ji biri ma na-arụ ọrụ na mpaghara ala Naijiria niile. Ka o sila dị, mbọ niile ndị Igbo na-agba na mwulite obodo na Naijiria taa bụ ihe efu ma ọ bụrụ na asụsụ Igbo apụtaghị ihe na Naịjiria. Ọ bụ asụsụ Igbo ga-ewelite ndị Igbo elu n'ụzọ pụrụ iche.

Nchọcha a ga-agba mbọ lebaa anya na mkpa asụsụ Igbo dị na mwulite obodo; ọ kachasị etu o si metụta ndị Igbo. Ọ ga-eleba anya n'ọrụ asụsụ Igbo na-arụ na mwulite obodo dị ka o si metụta ndị Igbo, ụzọ asụsụ Igbo si nyego aka na mwulite obodo, ọghọm dị n'ileghara asụsụ Igbo anya dị ka akarangwa e ji ewulite obodo, ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo dị ka akarangwa mwulite obodo, nakwa ụzọ a ga-esi chekwaba asụsụ Igbo ka ọ ghara ịnwụ.

**Nkọwa Ọkpụrụkpụ Okwu ndị Metụtara Isiokwu**

Tupu a gaa n'ihu na nchọcha a, ọ ga-adị mkpa na a kọwara ụfọdụ ọkpụrụkpụ okwu ndị metụtara isiokwu nchọcha a. Ọkpụrụkpụ okwu ndị a ga-akọwa bụ Obodo, Mwulite obodo, Asụsụ, na Asụsụ Igbo.

**Obodo**

Ọtụtụ ndị odee dị iche iche kọwara obodo n'ụzọ dị iche iche. Anderson (1995) kọwara obodo dị ka ogbe ndọrọndọrọ ọchịchị nke nọọrọ onwe ya, nwee otu usoro obibi ndụ, jidesie ma chekwaba ihe ndị jikọrọ ha ọnụ. Nkọwa a na-ahụta obodo dị ka ogbe na-agbaso usoro ọchịchị ma nwee usoro obibi ndụ pụtara ihe, nke ndị bi na ya na-agba mbọ ichekwaba omenala ha nakwa ihe ndị ọzọ ha nwekọrọ ọnụ.
Eller (1997), n'aka nke ya, kọwara obodo dị ka nnukwu mkpokọta otu mmadụ pụtara ihe, ndị nwere njirimara na ihe ndị ọzọ dị iche iche dị ka asụsụ, agụgụ ala, ogbe, na oke ala ga. Ihe nke a na-akọwa bụ na obodo bụ obosara ọgbakọ mmadụ kacha buo ibu karịa ọgbakọ ndị ọzọ. Ihe na-apụtakarị ihe n'obodo bụ asụsụ dị iche iche, agụgụ ala obodo, ogbe na oke ala dị iche iche.
Dị ka o si metụta nchọcha a, odee na-akọwa obodo dị ka ewumewu na-ekewa ndị mmadụ site n'oke ala ruo n'oke ala site n'usoro iwu kwadoro iji hụ na ndị nọ n'otu oke ala na-agbaso otu omenala na ndọrọndọrọ ọchịchị iji hụ na ihe ọbụla na-aga dị ka iwu si chọọ.

**Mwulite Obodo**

Ndị mmadụ dị iche iche akọwaala mwulite obodo n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a,
Smith (1986) na-akọwa na mwulite obodo gụnyere imepụta na ịrụpụta ọkọrọtọ dị iche iche e ji mara obodo dị ka akwa mfegharị, akpụmakpụ, ukwe obodo, ama egwulegwu, ọdụ ụgbọaala na ọdụ ụgbọelu, ịkwalite asụsụ obodo wdg. Nkọwa ya na-arụtụ aka n'imepụtagasị ihe ndị ga-abụ njirimara obodo iji mee ka ndịiche n'otu obodo na ibe ya pụta ihe.

Deutsch (2010), n'aka nke ya, kọwara mwulite obodo dị ka mbọ obodo nweere onwe ha ọhụrụ na-agba iji hụ na ha hiwere ihe ndị dị mkpa maka ọganihu obodo na usoro obibi ndụ ndị mmadụ, dị ka iwepụta usoro agụmakwụkwọ, usoro nchekwa, usoro nhọpụta ọchịchị, iwu na-achị mbubata na mbupu ngwaahịa, usoro nchekwa akụnaụba, usoro ahụike, iwu na-achị obodo wdg. Nkọwa ya na-ahụta mwulite obodo dị ka ịgba mbọ webata ma tinyezuo ihe ndị dị mkpa obodo ọbụla kwesiri inwe iji nye aka hụ na obibi ndụ ndị mmadụ n'obodo ahụ dị etu o si kwesi.

Mylonas (2017) kọwara mwulite obodo dị ka iji ike ọchịchị hiwe ma hazie ihe ndị dị mkpa iji wepụta njirimara site n'ịgbaso usoro iwu. Nkọwa ya bụ na ike ọchịchị dị mkpa na mwulite obodo. Ọzọkwa bụ na ihe ọbụla a ga-eme iji wulite obodo ga-abụrịrị ihe ndị iwu kwadoro.
Dị ka o si metụta nchọcha a, odee na-akọwa mwulite obodo dị ka mbọ ndị mmadụ dị iche iche na-agba iji hụ na obodo ha nwere ihe ndị dịgasị mkpa maka obibi ndụ ndị mmadụ iji mee ka obodo ahụ dị elu karịa obodo ndị ọzọ.

**Asụsụ**

Ọtụtụ ndị odee dị iche iche kọwara asụsụ n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a

Eke (1989) kọwara asụsụ dị ka ụzọ e si eme ka omenala, nkwenye, nhụrụụwa ndị si esi n'ọgbọ eru n'ọgbọ. Nkọwa a gosiri na ọ bụ site n'asụsụ ka e si ahafe omenala na usoro obibi ndụ ndị mmadụ site n'otu agbụrụ ruo na nke ọzọ.

Abdullahi (1999) sị na asụsụ bụ akarangwa ihe osise nke ndị mmadụ na-eji etejụ ndụ na omenala ha. Nkọwa a na-egosi na asụsụ bụ ihe na-enye aka na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ na-ahụta asụsụ dị ka ihe na-ete mmadụ na igwe mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke ga-eme ka mmụta, ọnọdụ akụnaụba na ọganihu obodo bawanye.

Sanusi (2007) kọwara asụsụ site n'ọrụ ọ na-arụ n'ebe ndị mmadụ nọ. Ọ sị na asụsụ bụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ọha obodo nke na-agbaso usoro ndị si ebi ndụ ha, mmemme ha, ngwa ha ji eme ihe, edetu ihe, enye iwu na mmụta ọhụrụ ga-emetụ mmadụ, ga-enyere mmadụ aka ịkọwa onwe ya na inyere ya aka ịkọwa echiche ya. Nkọwa ya na-ahụta asụsụ dị ka isi a hụrụ wee kwaba okpu n'ihe niile mmadụ na-eme na ndụ ya niile.

**Asụsụ Igbo**

Nwadike (2002) sitere n'ịkọwa ndị bụ ndị Igbo wee kọwaa ihe bụ asụsụ Igbo. Ọ sị na Igbo na-egosi ndị ndị Igbo mụrụ, nke abụọ, ọ na-egosi oke ala ndị Igbo; nke atọ bụ na ọ na-egosi asụsụ ndị Igbo na-asụ. Site na nkọwa ya, ọ pụtara na onye bụ onye Igbo bụ onye onye Igbo mụrụ, n'agbanyeghị n'ebe ọ nọrọ mụọ ya. Ala Igbo pụtara okere ala ndị Igbo nwe ma biri na ya; ebe asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ.

Eme na Nkamigbo (2009) gbadoro ụkwụ n'echiche Nwadike wee kọwaa asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị Igbo na-asụ. Ha gara n'ihu kọwapụta na ihe e ji akpọ ndị Igbo ndị Igbo bụ maka na asụsụ ha bụ asụsụ Igbo. Nkọwa ha na-ekwu na ọ bụ asụsụ ka e ji ama agbụrụ ọbụla. Ihe ọ pụtara bụ na agbụrụ ọbụla tụfuru asụsụ ha, mara na agbụrụ ahụ anwụọla.

Umezi (2022) sị na asụsụ Igbo bụ asụsụ 'kwa' nke ndị Igbo na-asụ dị ka asụsụ ire nne ha. Nkọwa ya na-egosi na asụsụ Igbo so n'otu asụsụ nke Naịja Kongo, nke a na-asụ na mpaghara ọwụwa anyanwụ nke mgbada ugwu Naịjiria.

Dị ka o si metụta nchọcha a, nwanchọcha na-akọwa asụsụ Igbo dị ka asụsụ a na-asụ na mpaghara mgbadaugwu Naịjiria; nke ndị nwe ya ji ezipụta echiche ha n'ụzọ dị iche iche maka mwulite obodo na ihe ndị ọzọ dị iche iche.

**Ntụleghari Ihe ndị E Derela n'Ihe Yitere Isiokwu**

Mylonas na Tudor (2021) site na nchọcha ha mere gbasara obodo dị ka o si metụta ndọrọndọrọ ọchịchị, ha chọpụtara na ọtụtụ ndị odee na-ahụta obodo dị ka ihe na-agbado ụkwụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, nwee agụgụ ala doro anya ma bụrụ nke a haziri nke ọma n'ụzọ dị iche iche. Nchọpụta ha na-akọwa na ihe ndị na-apụta ihe n'obodo ọbụla bụ mmekọrịta na-adị n'etiti ndị mmadụ bi n'obodo ahụ, agụgụ ala obodo. Nke ọzọ bụ na a na-ahazi obodo n'ogo dị iche iche iji hụ na e nwere ọganihu.

Whorf (1956) mere ka a mata na asụsụ dị iche iche na-eme ka ndị mmadụ nwee nsirihụ dị iche iche. Ọ gara n'ihu kwuo na asụsụ bụ ugegbe ndị nwe ya (asụsụ) ji ahụ ụwa. Na nkọwa ya, ọ bụ asụsụ na-enye ndị mmadụ echiche maka ihe ndị dị n'ime ụwa ma ndị a na-ahụ anya na ndị a naghị ahụ anya.

Nchọcha Whorf bara uru nke ukwuu maka na o nyere aka wee kọwaa mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na echiche dị ka o si metụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nchọcha ya so wee tọọ ntọala maka nkwado na ịkọwa etu asụsụ si nwe agba nye echiche, iji mata uru asụsụ bara na mwulite obodo.

Langacker (1991) n'aka nke ya na-akọwa na obodo ọbụla na agbụrụ ọbụla nwere nsirihụ e jiri mara ha. Nke a bụ etu ha si ahụta ụwa ma na-egosipụta ya site n'asụsụ ha. Ọ bụ nke a kpatara na ndị ọbụla agaghị echeli echiche banyere okwu ọbụla adịghị n'asụsụ ha. Ọ gara n'ihu kwuo na ka asụsụ na-ebitewanye okwu ka asụsụ ahụ na-etowanye, echiche ndị nwe ya ana-agbasawanye. Nchọcha Langacker bara uru nke ukwu. Ọ na-egosi na echiche gbadoro ụkwụ n'asụsụ. Ka asụsụ na-eto ka echiche ndị nwe ya na-agbasawanye, maka na ọ bụ asụsụ bụ ide ji echiche. Ihe adịghị n'asụsụ agaghị abatanwu ndị nwe asụsụ ahụ n'uche.

Lehman (1993) chọpụtara na ọrụ asụsụ na-arụ abụghị naanị ịnabata ozi nakwa izipu ozi n'ụwa; mana ọ nọkwazi ọrụ ịgbazi ka echiche ndị mmadụ si aga. Nchọcha ya bara uru nke ukwuu niihina o nyere aka n'ịkọwami ọrụ asụsụ na-arụ nye echiche iji gosi n'ezie na asụsụ nwere agba nye echiche maka ịgbazi usoro mwulite obodo n'ogo dị iche iche.

Ewelu (2010) na-akọwa na ọ dị ụzọ nkwenye atọ iji gosi na asụsụ nwere agba nye echiche maka mwulite obodo. Nke mbụ bụ ụdịdị na agwara asụsụ ọbụla na-ekpebi etu ndị nwe ya (asụsụ) si eche echiche, erote ihe nakwa ahụ ụwa. Nke abụọ bụ nkwenye na asụsụ dị iche iche na-ahụ ụwa n'ụzọ dị iche iche na-agbazikwa etu ndị nwe ya si ahụ ụwa. Nke atọ bụ nkwenye na ndịiche dị n'asụsụ na-emetụta mmekọrịta ọhanaeze. Na nkwenye atọ ndị a, ọ sị na nke mbụ kacha wee sie ike, nke abụọ na-esote ya, ebe nke atọ esichaghị ike.

Akwanya (1999) na-akọwa na ọ bụ site n'asụsụ ka e ji enye ma ihe a na-ahụ anya, ma ihe a naghị ahụ anya echiche. Akụkọ ifo niile gbasara ala mmụọ maọbụ obodo ụmụ anụmanụ na ihe nhụrụnuche niile bụ asụsụ na-akpalite ha ma nye ha echiche n'obi mmadụ. Nchọcha Akwanya bara uru nke ukwuu maka na ọ kọwara na e wepu asụsụ, ihe nhụrụnuche agaghị enwe echiche ọbụla. Nke a bụ maka na ihe ndị a dịgasị mkpa maka mwulite obodo

Piaget (1968), na nkọwa o nyere maka uto ụmụaka, na-akọwa na ọ bụ asụsụ na ihe ndị ọzọ ka echiche ji eto. Ọ kọwara na asụsụ dị mkpa maka echiche ụmụaka itu uto. N'aka nke ọzọ, ọ sị na e wepugodu asụsụ, echiche ga-eto mana asụsụ na-enyere ya aka n'uto. Nchọpụta ya nyere aka maka ịchọpụta etu asụsụ si didebe mkpa maka uto echiche nwata ọbụla.

Ejiofo (2015), site na nchọcha o mere na nlaghachi azụ asụsụ Igbo na-alaghachi, chọpụtara na ụfọdụ ndị Igbo anaghị agba mbọ etu ha si kwesi n'ịkwalite asụsụ Igbo dị ka asụsụ so pụta ihe n'asụsụ ndị dị na Naijiria. Nchọcha ya nyere aka mee ka ndị Igbo mara uru ọ bara ịhụ na ha tinyere aka iji hụ na asụsụ Igbo gbagotere n'ogo dị elu maka mwulite obodo n'ụzọ dị iche iche. Nchọcha ya metụtara nchọcha a maka na o nyere aka iji ghọta uru asụsụ Igbo bara na mwulite obodo nakwa ime ka ndị Igbo gbaa mbọ ịkwalite asụsụ Igbo dị ka akarangwa mwulite obodo.

**Ntụcha Nchọpụta**

Dị ka ebumnobi nchọcha a si dị, mgbe e mechara nchọcha a, ihe ndị a chpụtara gbadoro ụkwụ n' ihe ndị a: Ọrụ asụsụ Igbo na mwulite obodo dị ka o si metụta ndị Igbo, ụzọ asụsụ Igbo si nyego aka na mwulite obodo, ọghọm dị n'ileghara asụsụ Igbo anya dị ka akarangwa e ji ewulite obodo, ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo dị ka akarangwa mwulite obodo, nakwa ụzọ a ga-esi chekwaba asụsụ Igbo ka ọ ghara ịnwụ.

**Ọrụ asụsụ Igbo na mwulite obodo dị ka o si metụta ndị Igbo**

Na mbụ, a chọpụtara na asụsụ Igbo na-agbazi echiche ndị Igbo banyere mwulite obodo. Ọ bụ ihe doro ewu na ọkụkọ anya na ihe ọbụla gbasara mwulite obodo na-esite n'echiche mmadụ amalite. Ọ bụ site n'echiche ka mmadụ ga-esi chepụta ụzọ dị iche iche ọ ga-esi wulite obodo n'akụkụ ọbụla. Site n'atụtụ Sapir na Whorf (1948), Edward Sapir na nwata akwụkwọ ya bụ Benjamin Lee Whorf na-akọwa na ọ bụ site n'asụsụ mmadụ ka onye ahụ sị ahụta ụwa. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si eche echiche. Ọ bụ ebe asụsụ onye ọbụla jedebere ka echiche ya na-ejedebe. Ya bụ oge, gburugburu na nsirihụ dị iche iche na-adị iche site n'asụsụ ruo n'asụsụ. Ya bụ na ọ bụrụ na a gbasoo atụtụ a, ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ n'asụsụ Igbo ka echiche ndị Igbo na-agbado ụkwụ n'ihe gbasara mwulite obodo.

Ọzọkwa, asụsụ Igbo nọ ọrụ nchekwa ndụ na ihe ndị ọzọ n'ala Igbo. Ndị Igbo na-eji asụsụ Igbo gbalaga mgbe ndị ilo nọ ha nso. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ime ụlọ ndị Igbo na-eji agwa onwe ha okwu. Mgbe ọbụla e nwere ọgbaghara, ndị Igbo na-eji asụsụ Igbo wee ama onwe ha, iji nyere onwe ha aka ma matakwazi ndị bụ ndị iro ha. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. N'ihi nke a ọbụghị mmadụ niile na-aghọta ya, maka na otu okwu nwere ike inwe nghọta dị iche iche site n'ụda nke ọbụla n'ime ha nwere.

N'ịga n'ihu, n'ịgbaso usoro mwulite obodo, ụlọ ọrụ na-ahụ maka ọpụpụ na mbata nakwa ezi mmekọrịta ịdị n'etiti mba Naịjiria na mba ụwa ndị ọzọ na-agba mbọ ịhụ na e nwere ndị na-asụ asụsụ dị iche iche n'ụlọ ọrụ ha. Nke a bụ iji hụ na onye ọbụla bịara n'ụlọ ọrụ ha nwere onye ga-anụ ihe ọ na-asụ. Mgbe ọ

dị etu a, ụfọdụ ụmụafọ Igbo ndị enweghị ọrụ na-enweta ọrụ ịgba ntapịa site n'asụsụ Igbo wefee okwu n'asụsụ ọzọ; maọbụkwanụ isi n'asụsụ ọzọ wefee okwu n'asụsụ Igbo.

A bịa na mwulite obodo dị ka o si metụta asụsụ, asụsụ Igbo mere ka ndị ọkammụta Igbo nọdụ n'ọrụ mgbe niile. Nke a bụ maka na asụsụ Igbo erubeghi ogo ụfọdụ asụsụ mba ụwa rurula taa. Ya bụ na o mere ka ọtụtụ ndị ọkammụta Igbo nọdụ n'ọrụ nnyocha na nchọpụta ọtụtụ ihe gbasara asụsụ Igbo Igbo na ngalaba amụmamụ asụsụ dị iche iche. Nke a na-enye aka na mwulite obodo maka na ọ na-achọpụta ma na-ahazi ekerechi dị iche iche zoro ezo n'asụsụ Igbo.

Ọzọkwa, asụsụ Igbo mere ka a na-anụ aha ọtụtụ ndị Igbo taa. Dị ka o si metụta mwulite obodo, ọbịbịa ndị ọcha wetere mgbanwe na ọganihu n'akụkụ ọbụla. A bịa na ngalaba nzikọrịtaozi, ha gbara mbọ ịkwalite asụsụ atọ pụtara ihe na Naijiria n'ogo asụmasụ na edemede. Iji hụ na e mere nke a nke ọma, ụfọdụ ụmụafọ Igbo gbara mbọ nke ukwu iji hụ na asụsụ Igbo nọ ebe ọ nọ taa. Mmadụ dị ka Maazị Ọnwụ, bụ onye isi kọmitee ọtọgrafi nke 1961, bụ nke e ji ede asụsụ Igbo taa, Maazị Chidozie Ọgbalụ, na ndị ọzọ ga. Asụsụ Igbo mere ka ndị a nwee ugwu pụrụ iche n'ala Igbo nakwa na Naijiria niile.

**Ụzọ asụsụ Igbo si nyego aka na mwulite obodo**

Asụsụ Igbo enyela aka n'ụzọ dị iche iche na mwulite obodo. Na mbụ, asụsụ Igbo abụghị naanị asụsụ nzikọrịtaozi n'ebe ndị Igbo nọ; ọ bụkwazi njirimara ndị Igbo. Asụsụ mba ọbụla bụ ihe izizi e ji ama mba ahụ. Ihe ndị ọzọ bụzi ihe mgbakwụnyere nye mba a na-ekwu maka ya.

A bịa na mwulite obodo, asụsụ Igbo enyela aka n'ụzọ dị iche iche na mwulite ala Igbo. A bịa n'otu asụsụ mba ụwa, o so n'isi sekpụ ntị n'otu asụsụ 'Kwa' nke Naịja Kongo. Ọ bụ nke a mere e ji anụ aha ndị Igbo taa. Mgbe ọbụla e kwuru maka ndị Igbo, ihe izizi na-agbata n'uche bụ asụsụ Igbo.

Ọzọkwa, Omenala Igbo gbadoro ụkwụ n'asụsụ Igbo. Ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji ezipụta omenala Igbo dị iche iche e ji mara ndị Igbo n'ogo dị iche iche. Ya bụ na ndị Igbo na-ahụta ụwa site n'asụsụ Igbo. Ọ bụ nke a kpatara na tupu ụfọdụ emume adị ire dị ka o si metụta omenala Igbo, a ga-ejirịrị asụsụ Igbo mee ha. Omenala dị ka emume ọjị na-ala Igbo bụ n'asụsụ Igbo ka a ga-emerịrị ya. Ọ bụ nke a ka ndị Igbo ji sị na ọjị anaghị anụ asụsụ Bekee.

N'ịga n'ihu, oge ọbịbịa ndị Ọcha n'ala Igbo, asụsụ Igbo bụ asụsụ pụtara ihe n'ala Igbo dum. Ọ pụtara ihe n'ihe niile gbasara ndị Igbo. Nke a bulitere ala Igbo elu nke mere ndị ọcha ji nwee agụụ ịmụ maka ndụ ndị Igbo. Ọ hịara ha ahụ ịbanye ndị Igbo ime n'ihi na asụsụ Igbo adịghị mfe dị ka ha si chee. Ọzọkwa, o nweghị asụsụ ọzọ e ji eme ihe n'ala Igbo n'oge ahụ ma e wepu asụsụ Igbo. N'ihi nke a, ndị ọcha bidoro gbawa mbọ ịhazi asụsụ Igbo ka ọ gbagote n'ogo asụsụ mba ụwa ndị ọzọ site n'ime ka asụsụ Igbo bụrụ asụsụ a ga na-asụ asụ ma na-edekwa ya ede.

**Ọghọm dị n'ileghara asụsụ Igbo anya dị ka akarangwa mwulite obodo**

Dị ka o si pụta ihe, otu ihe a na-elegara anya mgbe ọbụla a na-ekwu maka mwulite obodo bụ asụsụ ha. Ya bụ na obodo ọbụla tụfuru asụsụ ha, atụfuola njirimara ha na ihe ha ji adị ndụ.

N'oge ochie, mba ọbụla a dọọrọ n'agha na-ahapụ asụsụ ha malite sụwa asụsụ nke mba dọtara ha n'agha. Nke a na-egosi mmalite mbibi obodo ahụ; maka na obodo ọbụla enweghị onwe ya, asụsụ ya anaghị enwe onwe ya. N'agba ochie, ọ dị ụzọ asụsụ atọ pụtara ihe n'ụwa, nke ndị nwe ha bụ mba ndị a na-anụ aha ha n'elu ụwa n'oge ahụ. Asụsụ ndị ahụ bụ Hibru, Griik na Latin. Ka o size dị taa, asụsụ atọ a bụzi ihe e were dị ka asụsụ ọkpụ. O nwezighị mba ndị na-asụ ha taa dịka asụsụ nne ha. Nke a bụ maka na mba ndị nwe ha akpachapụrụghị ha anya etu o si kwesi.

A bịa n'ebe asụsụ Igbo nọ, ọtụtụ ndị Igbo, ọ kachasị ndị ntolobịa anazighi asụ asụsụ Igbo etu o si kwesi. Nke a na-amalite n'ezinaụlọ dị iche iche wee ruo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche. Ọ bụ ihe na-agba anya mmiri na ụfọdụ ndị nne na nna anaghị achọ ịsụrụ ụmụ ha sụsụ Igbo, ma n'ụlọ ma n'ama. Nke ka nke bụ na ha na-ewere ụmụaka dị etu a tinye n'ụlọakwụkwọ ebe anaghị amụ asụsụ Igbo.

Dị ka e si kọwapụta n'elu, obodo ọbụla na-asụ asụsụ mba ọzọ na-abụ ohu nye mba ahụ. Ka o si dị taa, ndị Igbo na-asụ asụsụ Bekee nke ndị Briten chịburu ha n'oge gara aga. Nke a pụtara na ha ka bụ ohu nye mba Briten n'ime mmụọ na n'echiche. Mba Amerika nweere onwe ha n'aka mba Briten ka ọnwa Julaị dị n'ụbọchị anọ n'afọ otu puku, narị asaa nairi asaa na isii (4th July, 1776). Ihe mbụ ha gbara mbọ mee bụ na ha gbanworo asụsụ ha ka ọ pụọ iche n'ebe asụsụ ndị mba Briten dị. Nke a bụ iji hụ na ha

nweere onwe ha kpam kpam iji hụ na ha nwere ezi mwulite obodo ha n'enweghi ihe mmekpa ahụ ọbụla site n'aka ndị mba ọzọ. Ọ bụ nke a mere o ji dị ụzọ asụsụ Bekee abụọ taa: asụsụ Bekee ndị Briten na asụsụ Bekee nke ndị Amerika.
Ndị ọkammụta n'amụmamụ asụsụ chọpụtara ma kwupụta na asụsụ niile dị n'ụwa ha nhatanha. Ihe nke a pụtara bụ na asụsụ ọbụla etozuola ịgbasa n'ụwa niile ma bụrụ asụsụ e ji eme ihe na ngalaba niile. Ọ bụzi ọrụ ndị nwe asụsụ ọbụla ịgba mbọ hụ na asụsụ ha gazuru ebe niile. Ebe ọ dị etu a, keduzi ihe gbochiri ịkwalite asụsụ Igbo ka e jiriri ya na-akụzi ihe n'ogo dị iche iche n'ụlọakwụkwọ dị iche iche.

**Ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo dị ka akarangwa mwulite obodo**

Ihe bụ okwu a kpụ n'ọnụ n'ebe a bụ ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo dị ka akarangwa pụrụ iche maka mwulite obodo. Ihe mbụ e kwesiri ime iji kwalite asụsụ Igbo maka mwulite obodo bụ ime ka ụmụ afọ Igbo hụ asụsụ Igbo n'anya. Ọ bụ mgbe ha nwere ịhụnanya n'ebe asụsụ Igbo dị ka ha ga-eji gbanwoo echiche ha n'ebe asụsụ Igbo dị. Mgbe ọ dị etu a, ndị Igbo ga-enwe ike itinye ihe niile ha nwere iji hụ na asụsụ Igbo nọ n'ogo dị elu dị ka akarangwa e ji ewulite obodo.

Asụsụ Chaịna na-ewu ewu taa bụ maka na ndị Chaịna na-agba mbọ na-etinye ego na ihe dị iche iche iji mee ka asụsụ ha gbasaa ebe niile. Ọ bụ etu a ka ndị mba dị iche iche si eme asụsụ ha. A bịa n'akụkụ mba ụwa dị iche iche, ndị ọbụla na-achị mba dị iche iche na-agba mbọ mee asụsụ ha asụsụ agụmakwụkwọ na mba ahụ. Ọ bụ nke a ka ndị mba Briten mere ndị Naijiria oge ndị Naijiria nọ n'okpuru ha. Ha mere asụsụ Beee ka ọ bụrụ asụsụ agụmakwụkwọ na mba Naijiria.

Ka o si dị ugbu a na Naijiria, ndị Igbo so n'agbụrụ kara pụta ihe na mwulite obodo Naijiria. Dị ka Umezi (2022) si kọwapụta na ndị Igbo kacha pụta ihe na Naijiria n'azụmahịa na mmepe obodo. Ebe ọ dị etu a, asụsụ Igbo kwesiri ịbụ asụsụ a ga-eji na-akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ dị iche iche; malite na Prịma ruo na mahadum.

Ọ bụ ihe doro anya na mwulite obodo na-ebute nchọcha n'ogo dị iche iche na n'ụzọ dị iche iche. A bịa n'ebe o si metụta sayensi na nkanụzụ, asụsụ Igbo erubeghi ogo ụfọdụ asụsụ mba ụwa rurula n'iji nyochaa ma chọpụta ihe ọhụrụ dị iche iche dị ka o si metụta sayensi na nkanụzụ. Ihe kpatara nke a bụ na ụfọdụ ihe nchọpụta na akarangwa nchọpụta sayensi enwebeghi aha n'asụsụ Igbo. Nke a gosiri na ndị ọkammụta na ngalaba sayensi ga-agba mbọ nye ọtụtụ ihe gbasara sayensi na nkanụzụ aha n'asụsụ Igbo; iji mee ka asụsụ Igbo dị elu dị ka asụsụ mba ụwa ndị ọzọ.

**Ụzọ a ga-esi chekwaba asụsụ Igbo ka ọ ghara ịnwụ**

Ọ bụrụ na mmiri ezoghi, chi ka dị; maka na o si taa dịwa mma, ọ dịwara gboo. Iji hụ na asụsụ Igbo gbagotere n'ogo dị elu nke bụ ọnọdụ ruoro ya na Naijiria taa dị ka akarangwa mwulite obodo nakwazi iji chekwaba ya ka ọ ghara ịnwụ, ụfọdụ ihe dị mkpa ka e mee ha.

Na mbụ, onye ọbụla bụ onye Igbo ga-agba mbọ hụ asụsụ Igbo n'anya. Nke a ga-eme ka onye Igbo ọbụla na-enwe mmasị ịsụ asụsụ Igbo ebe ọbụla na kwa n'oge ọbụla. Ọ ga-eme ka asụsụ Igbo na-ewu ewu na Naijiria nakwa na mba ndị ọzọ. Onye hụrụ asụsụ Igbo n'anya, ihere agaghị eme ya ịsụ asụsụ Igbo ebe ọbụla ọ nọ. Mgbe ọ dị etu a, asụsụ Igbo ga na-agawanye n'ihu.

N'otu aka ahụ, ndị nne na nna n'ezinaụlọ dị iche iche ga-agba mbọ hụ na ụmụaka ha mụtara asụsụ Igbo ma na-asụ ya dị ka asụsụ ire nne ha. Ihe ọbụla mmadụ mụtara oge ọ dị na nwata, ọ ga-ahịa ahụ ihe ahụ ịpụ ya n'ahụ. Ọ bụrụ na ezinaụlọ ndị Igbo ọbụla na-asụ asụsụ Igbo, ọ ga-eme ka obodo niile dị n'ala Igbo na-asụ asụsụ Igbo. Nke a ga-enye asụsụ Igbo ihe mgbakwasa ụkwụ pụrụ iche iji nweta ọganihu. N'otu aka ahụ, ndị nne na nna bụ ndị Igbo ga-agba mbọ hụ na ụmụ ha anaghị aga akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ọbụla anaghị eme asụsụ Igbo dị ka ihe ọmụmụ kwọụrọ onwe ya. Ọ bụrụ na nke a emee, ndị gọọmenti na ndị nwe ụlọakwụkwọ mnwere onwe ga-agbarịrị mbọ tinye ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ha dị iche iche, iji nweta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ buru ibu. Mgbe ọ dị etu a, ọ ga-enye aka ka asụsụ Igbo gaa n'ihu.

Ndị gọọmenti, ọ kachasị ndị nọ n'ala Igbo ga-agba mbọ mee ka asụsụ Igbo bụrụ ihe ga na-agụ ndị Igbo agụụ ịsụ. Ha ga-eme nke a site n'itinye iwu dị iche iche ga-ejide ndị mmadụ n'ogo agụmakwụkwọ dị

iche iche. Ọzọkwa, ha ga-agba mbọ na-ahazi asọmmpi dị iche iche ga-enye aka n'ịkwalite asụsụ Igbo, ma tinye ihe nrite buru ibu maka ndị niile ga-eturu ugo n'asọmmpi ndị ahụ.

**Mmechi**

N'isi njedebe nchacha a isiokwu ya bụ asụsụ na mwulite obodo: Ọrụ asụsụ Igbo n'ebe ndị Igbo nọ, nwanchọcha gbarịrị n'imejupụta ebumnobi ya o ji maka ya bagide ime nchọcha a, o lebara anya n'ọrụ asụsụ Igbo na-arụ n'iwulite obodo dị ka o si metụta ndị Igbo, ụzọ asụsụ Igbo si nyego aka na mwulite obodo, ọghọm dị n'ileghara asụsụ Igbo anya dị ka akarangwa e ji ewulite obodo, ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo dị ka akarangwa mwulite obodo, nakwa ụzọ a ga-esi chekwaba asụsụ Igbo ka ọ ghara ịnwụ.

**Edensibịa**

Abdullahi, A. (1999). Organizational culture as a root of performance improvement. *Journal of Occupational Behavour, vol.6.No.3, pp243-244*

Akwanya, A. N. (1999). *Language and habits of thought.* Nsụkka: Afro-Orbis Publishers

Anderson, B. R. O'G. (1991). *Imagined communities: reflections on the origin and spread of nationalism*. London: Verso.

Anedo, O.A.A. (2013). The interactions of culture, language and cognition. *Igbo Scholars Journal*, Vọl. 1, 116 – 137

Deutsch, K. W. (2010). Foltz, William J. (ed.). *Nation building in comparative conteụts* (New Paper back print. ed.). New Brunswick ịN.J.ṅ : AldineTransaction

Ejiofo, P. (2015). *Ajọ ọrịa ji asụsụ Igbo: Okenye ịnọ n'ụlọ ewu na-amụ n'ọgbịrị.* Awka: Valid Publishers

Eke, N. (1989). *Culture and society.* Hampshire: Nwe Prairie press.

Eller, J.D (1997). "Ethnicity, culture and 'the past'". *Michigan Ọuarterly Review. 36(4)*

Eme, C.A. & Nkamigbo, L.C. (2009). "Naịjiria: Asụsụ, omenala na mmepe obodo". *Akwụkwọ a gụrụ na jonal mmụta Igbo, vol.4, No.1*

Ewelu, B. I. (2010). *Language and thought: A problematiọue in African philosophy*. Enugu: Delta publications.

Langacker, R. W. (1991). *Foundations of cognitive grammar 2*. Standford: Standford University Press.

Piaget, J. (1968). *Le langage et la pensee chez l'enant.* Neuchatel: Delachauụ et Niestle

Lehman, J. F., Nweell, A., Polk,T. & Lewis, R. L. (1993). "The role of language in cognition: A conceptual inọuiry" In: Geirsson, H. & Losonsky, M. *Reading in language and mind*. Oụford: Oụford University Press.

Mylonas, H. (2017),"Nation-building," *Oxford Bibliographies in International Relations*. Ed. Patrick James. Nwe York: Oụford University Press.

Mylonas, H., Tudor, M.(2021). "Nationalism: What we know and what we still need to know". *Annual Review of Political Science. 24 (1). 109-132*

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo language in education: A historical study.* Obosi: Pacific Correspondence College and Press.

Sanusi, A.S. (2007). *The African palimpsest: Indigeneous language in West Africa.* Stanford: Stanford University Press.

Smith, A. (1986). "State-Making and nation-building" in John Hall (ed.), States in History. Oụford: Basil Blackwell.

Smith, A.D. (1995). Nations and nationalism in a global era. Cambridge: Polity press.

Umezi, P.I. (2022). Igbo language as the culture that unites the Igbo people: Prospects for development. *Journal of African Studies and Sustainable Development. Vol. 5. No.3. pp. 222-237. https://www.acjol.org/indeụ.php/jassd*

Whorf, B. L.(1956). *Language, thought and reality*. Cambridge, MA: MIT Press.